Igboscholars International Journal of IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA Volume 15 No 3, November, 2022. ISSN: 2476-843x

# Adịmịịre Nka Akụkọ Ifo N'ịkwalite Ọgụgụ Aghọtaaza Na Edemede Ụmụ akwụkwọ Na-Amụ AsụsụIgbo N'ogo Agụmakwụkwọ Praịmarị Na Steeti Ebonyi , Naijiria.

**Nwigwe Nwakaego**
Department of Arts and Social Science Education.
Faculty of Education, Ebonyi State University, Abakaliki
nwakaegonwigwe@gmail.com
**08033727159**

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya n'ịchọpụta adịmịịre nka akụkọ ịfọ n'ịkwaliịte ọgụgụ aghọtaaza n'edemede Ụmụ akwụkwọ ndịnọ n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị na Steeti Ebonyi , Naijiria. Ọrụ nchọcha a gbasoro usoro nchọcha nke arụmarụ (quasi-experimental) wee mee nchocha a. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha dị otu narị (100) ụmụ akwụkwọ nọ n'ogo praịmarị nke ise (primary 5), bụkwa ndị e jịrị usoro nsere nke ebumnuche wee họpụta n'ụlọakwụkwọ abụọ nke ndị goomenti nwe (Public Primary Schools). Ajụjụ nchọcha abụọ ka e jiri mee nchọcha a. Ụlọakwụkwọ abụọ ahụ ka e tinyere n'otu abụọ ndị a: otu "A" bụ otu arụmarụ (experimental group), ebe ọtụ "B" bụ otu mgbazi (control group), bụkwa ndị a nabatara otu ha nọ na klaàsị ha. Otu abụọ ndị a nwere Ụmụ akwụkwọ ọnụọgụ dị ịrị ise (50) n'ụlọakwụkwọ nke ọ bụla. Ngwa nchọcha bụ ule/nnwàle ọgụgụ aghọtaaza n'akụkọ ịfọ. Maka inyocha nzuoke ngwa nchọcha, ndị nkuzi abụọ na ngalaba Igbo Language Education na otu onye nkuzi na ngalaba measurement na evaluation lebara anya na ya, bụ ndị si na Mahadum Steeti Ebonyi , Abakaliki. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghi agbanwe site n'ibu

ụzọ nwalee ngwa nchọcha n'ụzọ dị nta (pilot test), wee nweta akara a na-akpọ reliabilty coefficient 0.80 n'olu bekee. E jiri ntụcha miin (x) na ndịpụ n'izugbe (standard deviation) wee nweta ọsịsa nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na ndị otu arụmarụ (experimental group) mere nke ọma karie ndị otu mgbazi (control group) n'ule/nnwàle ọgụgụ aghọtaaza na edemede n'asụsụ Igbo, bụkwa nke sitere na nka akụkọ ifo onye nkuzi jiri kuziere ha. Site n'ihe a chọpụtara, onye nchọcha tụtara alo ndị a: ka ndị na-ahazi kurikulum na-etinye nka akụkọ ifo na ngalaba ọgụgụ na edemede nke kurikulum asụsụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ praimari; ka a na-akwado ndị nkụzi asụsụ iji nka akụkọ ifo akụzi ọgụgụ aghọtaaza na edemede n'asụsụ Igbo.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Nka akụkọ ifo, ọgụgụ aghọtaaza, edemede na asụsụ Igbo.

## Mkpọlite

Ọgụgụ bụ otu n'ime nka asụsụ anọ e nwere, ebe nka ndị ọzọ gụnyere; nka ọnụnụ, nka okwukwu na nka odide. Site na nka ọgụgụ, e nwere ike ịkụzi nka okwukwu, nka odide, mkpụrụokwu, nsụpè na ụtọasụsụ. Onye ọ bụla nwere nka ịgụ ihe ọgụgụ nke ọma na-enweta ohere ọma inweta ihe ọ chọrọ na ndụ ya. Nka ọgụgụ bụ nka kwesịrị ka ụmụ akwụkwọ nwe n'ihi na ọ bụ site n'ịgụ ihe ọgụgụ ka ha ga-esi nweta ozi dị iche iche na gburugburu ụwa niile. Ọ na-enyekwa aka eme ka ụmụ akwụkwọ na-agbalị nke ọma n'agụmakwụkwọ ha, bụkwa nke e nwere ike igosịpụta n'edemede.

Edemede bụ nka asụsụ nke ikpeazụ bụrụkwa nke kacha esiri ụmụ akwụkwọ ike ịmụta. Mana ọ bụ ihe dịmwute na ndị nkuzi asụsụ Igbo anaghị akụzi nka asụsụ ndị a nke ọma n'ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị na Steeti Ebonyi , Naijiria. Ọtụtụ ụmụ akwụkwọ amaghị agụ ihe ọgụgụ nke

ọma, ha anaghịkwa aghọta ihe ha na-agụ. Ọzọkwa, ha enweghi ike edepụta edemede dị mma. Amaghị agụ na amaghị ede emeela ka ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ghara ime nke ọma n'ule n'ọtụtụ ụlọakwụkwọ na Steeti Ebonyi , Naijiria.

Asụsụ Igbo bụ ejirimara ndị Igbo n'Ọwụwa Anyanwụ, Naijiria. Ọ bụkwa otu n'ime asụsụ atọ nke goomenti etiti obodo Naijiria họpụtara ka e jiri eme ihe, na-akuzi ya dịkà asụsụ epum (mother tongue) ma ọ bụ asụsụ gburuguru ebe nwata na-agụ akwụkwọ (language of the immediate environment) (Federal Republic of Nigeria, 2014). A na-amụta asụsụ Igbo n'ezinaụlọ nakwa ụlọakwụkwọ (praimari, sekondiri na mahadum).

Nchọcha nlelepụ anya nke onye nchọcha merela, gosịpụtara na e nwere ọtụtụ ihe nke na-eme ka ụmụ akwụkwọ ghara itinye uchu na nkuzi na ọmụmụ ihe, bụrụkwa ihe na-ebute ọghọm amaghị agụ na amaghị ede edemede nke ọma. Ihe ndị a gụnyere; enweghị ụbara mkpụrụokwu (vocabulary); etinyeghị ọtụtụ ihe omume na egwuregwu nke ga-eme ka ụmụaka na-enwe mmasị n'ịgụ ma ghọtakwà ihe ha gụrụ nke ọma nakwa inweike edepụta echiche nke ha n'usoro kwesiri ekwesi.

Ya mere na ọ dị mkpa ka e webata nka nkuzi nke ga-enye ụmụaka ohere iwulite nka ịgụ ma ghọtakwà ihe ha gụrụ nakwa idepụta echiche nke ha n'asụsụ Igbo. Ọ bụ nke ahụ bụ isi sekpụ ntị n'ime nchọcha a.

Iwebata nka akụkọ ifo na nkuzi na ọmụmụihe malitere kamgbe afọ ọkpụtọrọọkpụ wee rue n'oge ugbu a (Kosa, 2009). Nka akụkọ ifo bara nnukwu uru na nkuzi na omụmụihe. Ọ na-ewebata ịkpa amụ n'ọgbọ ọmụmụihe, emekwa ka ụmụaka na-echeta ihe a kụziri ha nke ọma (Frisch & Saunders, 2009). Ndị ọkammụta Powell & Murray (2012) na-akọwa na ọ bụrụ na e jiri nka akụkọ ifo kuziere ụmụaka ihe, na ọ na-eme ka ha ghọta ọ bụladị isiokwu ndị ahụ na-

esiburu ha ike ịghọta, na-emekwa ka maaki ụmụaka na-enweta na-adị elu.

Nka akụkọ ifo bụ ọtụ n'ime nka nkụzi ndị nnanna anyị ha na-eji akụziri ụmụaka ha ihe. Ndị nne, nna, nna ochie na-eji akụkọ ifo akụziri ụmụaka ezi agwa na omume ọma. N'agbanyeghị na e detughị akụkọ ifo ndị a edetu n'akwụkwọ, naanị n'okwu ọnụ ka e ji akọ ha site n'otu ọgbọ ruo n'ọgbọ nke ọzọ, a naghị enwe ndịịchè ma ọ bụ ọgbàtaùhìè n'akụkọ ndị ahụ. Ndị nnanna anyị ha na-eji ya azụpụta ụmụ ha n'usoro obibindụ n'ọháobodo. Emenanjo (1977) kọwara na akụkọ ifo bara ezigbo uru n'obibi ndụ na iji kụbanye ụkpụrụ ọháobodo n'ime ụmụaka na-etolite etolite.

N'agbanyeghị ọtụtụ uru ndị a nka akụkọ ifo bara n'ịzụpụta ụmụaka, ọdị mwute na a naghị e ji ya akụzi ihe n'ogo agụmakwụkwọ nke praịmarị. Iji maa atụ, ndị nkuzi na-ewere oge e tinyere maka agụmagụ Igbo, oge ha kwesịrị ịkụzipụta akụkọ ifo, jiri ya eme ihe ọzọ dị ha mma. Nwigwe (2016) hụtara na ndị nkụzi na-agwa ụmụaka ka ha pụọ ezi, ga n'ukwu osisi kọwa akụkọ ifo, bụkwa nke onyenkụzi agaghị anọ ebe ahụ na-ahaziri ha nke ọma.

N'oge ugbu a hụtara na ụmụaka anaghị enwe ohere egere akụkọ ifo n'ọnụ nne na nna ha ma ọ bụ ndị okenye ọzọ n'ezinaụlọ, kama naanị ihe ndị mụrụ ha na-eme bụ itinyere ha igwe onyonyo (television) na ịzụtara ha egwuregwu kọmputa. Oge iji akụkọ ifo mee ka ụmụaka rahụ ụra agaala n'ihi na ndị nne na nna anaghị enwekwa ohere eme nke ahụ (Talk Talk Group, 2012).

Malderez (2010) na Atta-Alla (2012) egosịpụtala uru nka akụkọ ifo bara n'iji akụzi asụsụ nke abụọ ($L_2$). Ha kọwara na ọ na-ewulite nka asụsụ dịkà nka ọnụnụ, nka odide, ụbara mkpụrụokwu, nakwa iwulite mmekọrịta mmadụ na ibe ya. N'iji kwado ihe ndị ọkammụta a kwuru McGrath, Taylor

&Kamen (2004) kwuru na iji nka akụkọ ifo akụziri ụmụaka na-eme ka nka agụede ha (literacy skills) na-amụbawanye.

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta adịmịire nka akụkọ ifo n'ịkwalite ọgụgụ aghọtaaza na edemede ụmụákwụkwọ na-amụ asụsụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị na Steeti Ebonyi , Naijiria.

**Ebumnuche Nchọcha**

Ebumnuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta adịmiire nka akụkọ ifo n'iwulite ọgụgụ aghọtaaaza na nka edemede ụmụ akwụkwọna-amụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ praimari. Ebumnuche nchọcha kpọmkwem bụ:

1. Ịchọpụta adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite ọgụgụ aghọtaaza nke ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo ndị nọ n'ogo nke praịmari.
2. Ịchọpụta adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite edemede ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo ndị nọ n'ogo nke praịmari.

**Ajụjụ Nchọcha**

1. Kedu adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite ọgụgụ aghọtaaza ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo ndị nọ n'ogo nke praịmari?
2. Kedu adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite edemede ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo ndị nọ n'ogo nke praịmari?

**Usoro Nchọcha**

Ụdịrị nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ nke arụmarụ (quasi-experimental). E jiri usoro nsere nke ebumnuche wee họpụta ụlọakwụkwọ praimari abụọ ndịgọọmenti nwe (public primary schools). Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha dị otu narị (100) ụmụakwụkwọ nọ n'ogo praịmari nkeise (primary 5).Ụlọakwụkwọ abụọ ahụ ka e tinyere n'otuabụọ ndị a:Otu

"A" bụ otu arụmarụ (experimental group), ebe otu "B" bụ otu mgbazi (control group), bụkwa ndị a nabatara otu ha nọ na klasị ha(intact classes). Otu abụọ ndị a nwere ụmụ akwụkwọ ọnụọgụ ha dị iri ise (50) n'ụlọakwụkwọ nke ọ bụla.

Ngwa nchọcha bụ ule/nnwàle ọgụgụ aghọtaaza na akụkọ ifo. Ngwa nchọcha nwere ajụjụ tụmbọm tụmbọm dị iri abụọ na ise (25 items) na nhọ nwere A – D (options). Ajụjụ ọ bụla na nhọ ya na-erite otu maaki (1 mark), nke nyere izugbe maakị iri abụọ na ise (25 marks). Ajụjụ ndị ahụ gbadoro ụkwụ n'ịnwale ogo nghọta ụbara mkpụrụokwu (vocabulary questions), ogo nghọta ụtoasụsụ n'Igbo (understanding of grammar), na ogo nghọta mpụtara okwu ụfọdụ (understanding of implied meaning). Ajụjụ nke ọzọ bụ ajụjụ maka edemede (essay question), nke a chọrọ ka ụmụaka depụta akụkọ ifo site n'itinye ihe ndị a: isiokwu (5 maakị), agwa (5 maakị), ntọala (5 maakị), nhazi akụkọ (5 maaki) na ihe mmụta si n'akụkọ (5maaki). Izugbe maakị dị iri abụọ na ise (25 maakị).

Maka inyocha nzuoke ngwa nchọcha,ndị nkụzi na ngalaba Igbo language education na measurement na evaluation lebara ya anya, bụ ndị si na Mahadum Steeti Ebonyi, Abakaliki. Ndị nkụzi a nwalere ngwa nchọchaịhụ na o tozuru oke maka nchọcha a.

Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghi agbanwe site n'ibu ụzọ nwale ngwa nchọcha n'ụzọ dị nta (pilot test), wee nweta akara a na-akpọ reliability coefficient 0.80 n'olu bekee.

## Usoro a gbasoro mee nchọcha

Usoro nchọcha a dịgide ruo izu ụkà asatọ (8 weeks). N'izu ụkà nke mbụ ka e jiri họpụta akụkọ ifo atọ: "Mbe na Ejula" (the tortoise and the snail), "Dinta na Nkịta anọ ya" (the hunter and his four dogs), "Ewi na Mbe" (the rabbit and the tortoise). Akụkọ ndị a bụ nke na-adị amasị ụmụaka oge ọ

bụla a na-akọ ya. N'izu ụkà nke abụọ ka e jiri nye ụmụ akwụkwọ nọ n'otu arụmarụ (experimental group) na otu mgbazi (control group) ule, (pre test measure) tupu a malite nkuzi.

Ndị otu "A", ọtụ arụmarụ ka e jiri nka akụkọ ifo (story telling technique) kuziere ihe, mana ndị ọtụ "B", ọtụ mgbazi ka ndị nkụzi ha jiri nka nkụzi nkịtị nke ha na-ejibu na-akụzi ihe wee kụziere. Ka ndị nkụzi kụzichara ihe na ngwucha izụụkà asatọ (8 weeks), a nwalekwara Ụmụ akwụkwọ ọzọ site n'inye ha ule ahụ e nyere ha na mbụ (post test measure).

Ọ bụ onye nchọcha depụtara ule/nnwàle ndị a ebe ndị nkuzi Igbo nyere aka ịhụ na ụmụ akwụkwọ mere ule ahụ.

E jiri mgbakọ miin (x) na ndịpụ n'izugbe (Standard deviation), ka e jiri saa ọsịsa ma tụchaa data e nwetara na nchọcha a.

**Ihe a chọpụtara**

**Ajụjụ Nchọcha I**

Kedu adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite ọgụgụ aghọtaaza ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo ndị nọ n'ogo nke praịmari.

**Tebulu I:** Miin na ndịpụ n'izugbe nke maakị ụmụ akwụkwọ n'ọgụgụ aghọtaaza n'asụsụ Igbo.

| Otu (group) | Ọnụọgụ | Ule mbụ (pretest) | | Ule nke abụọ (post test) | | Uru miin |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | | Miin (x) | Sd | Miin (x) | Sd | |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Otu "A" Arụmarụ | 50 | 3.54 | 0.80 | 7.20 | 2.50 | 10.74 |
| Otu "B" Mgbazi | 50 | 3.52 | 0.77 | 4.26 | 2.10 | 7.78 |

**Tebulu I** gosịrị na miin maakị Ụmụ akwụkwọ n'ọgụgụ aghọtaaza bụ 7.20 maka ndị otu arụmarụ (experimental group),ndị e jiri nka akụkọ ifo kuziere asụsụ Igbo, ebe ndị otu mgbazi (control group) nwetara akara miin naanị 4.26. Ihe nke a gosị pụtara bụ na ndị otu arụmarụ kara mee nke ọma n'ọgụgụ aghọtaaza karie ndị ogbo ha nọ n'otu mgbazi. N'otu aka ahụkwa, e nwetara uru na miin n'etiti ule/nnwàle nke mbụ (pretest) na ule/nnwàle nke abụọ (post test) maka otu abụọ ndị a, ebe ha nwetara miin 10.74 na 7.78 n'otu n'otu. Nke a gosịrị na mgbalị ụmụ akwụkwọ n'ọgụgụ aghọtaaza na-akawanye mma site n'iji nka akụkọ ifo kuziere ha asụsụ Igbo.

**Ajụjụ Nchọcha II**

Kedu adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite edemede ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo, ndị nọ n'ogo nke praịmari?

**Tebulu II:** Miin na ndịpụ n'izugbe nke maakị ụmụ akwụkwọ n'edemede asụsụ Igbo.

| Otu (group) | Ọnụọgụ | Ulembụ (pretest) | | Ule nke abụọ (post test) | | Uru miin |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | | Miin (x) | Sd | Miin (x) | Sd | |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Otu "A" Arụmarụ | 50 | 4.50 | 2.10 | 7.40 | 2.40 | 11.90 |
| Otu "B" Mgbazi | 50 | 4.52 | 2.05 | 4.58 | 2.22 | 9.10 |

Tebulu II gosịrị na miin maakị Ụmụ akwụkwọ n'edemede akụkọ nke ha bụ 7.40 maka ndị otu arụmarụ (experimental group), ndị e jiri nka akụkọ ifo kuziere asụsụ Igbo, ebe ndị otu mgbazi (control group) nwetara miin naanị 4.58. Ihe nke a gosịpụtara bụ na otu arụmarụ kara mee nke ọma n'edemede akụkọ n' asụsụ Igbo karie ndị otu mgbazi. N'otu aka ahụkwa, e nwetara uru na miin dị n'etiti ule/nnwàle nke mbụ (pretest) na ule/nnwàle nke abụọ (post test) maka otu abụọ ndị a, ebe e nwetara miin 11.90 na 9.10 n'otu n'otu. Nke a gosịrị na mgbalị Ụmụ akwụkwọ n'edemede akụkọ na-akawanye mma site n'iji nka akụkọ ifo kuziere ha asụsụ Igbo.

Site na ntọsasị na ntụcha e mere, ihe ndị a bụ ihe a chọpụtara.

1. Nka akụkọ ifo na-akwalịte ọgụgụ aghọtaaza Ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo.
2. Nka akụkọ ifo na-akwalịte edemede Ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo.

## Mkparịta Ụkà n'ihe a chọpụtara

N'ịtụcha na ịtọsasị data maka adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite ọgụgụ aghọtaaza n'asụsụ Igbo gosịpụtara na Ụmụ akwụkwọ , ndị e jiri nka akụkọ ifo kuziere kara mee nke ọma n'ọgụgụ aghọtaaza karie ndị ogbo ha, ndị e jiri nka nkuzi nkịtị wee kuziere. N'ịtụle ihe a chọpụtara maka otu abụọ ndị a, onye nchọcha kpokotara echiche ọnụ, kwue na ime nke ọma nke ndị otu arụmarụ (experimental group) nwere ike bụrụ ụzọ a gbasoro kuziere ha ihe site n'iji akụkọ ifo. Nka akụkọ ifo bụ ngwa bara ezigbo uru n'ịkpalite mmụọ na mmasị ụmụaka,

mee ka ha gee ntị nke ọma, sonyekwa na-agụ ihe a sịrị ha gụọ, na-amụbawanye mkpụrụ okwu nke ụmụaka,bụkwa nke na-enyere ha aka n'ịghọta ihe ha na-agụ. Nchọpụta a dabara na nke Yusuf (2017); n'ige ntị n' akụkọ ifo na-enyere ụmụaka aka iwulite nka ọnụnụ ha, mee ka ha –ege ntị nke ọma. Site n' ụzọ ahụ wulite nghọta site n'ịdị na-ege ntị n'akụkọ ifo ndị ahụ na-amasị ha.

N'ịtụcha na ịtọsasị data maka adịmiire nka akụkọ ifo n'ịkwalite edemede Ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo gosịpụtara na e nwere ndịiche n'akara miin. Ụmụ akwụkwọ ndị e jiri nka akụkọ ịfo kuziere kara mee nke ọma n'edemede akụkọ karie ndị ogbo ha, ndị e jiri nka nkuzi nkịtị wee kuziere. Ụmụ akwụkwọ nwetara ekere uche, nwekwa ike idepụta akụkọ nke ha. Nchọcha a dabara na nke Pinzon (2016), na nka akụkọ ifo bụ ihe mgbado ụkwụ n'iwulite nka edemede ụmụ akwụkwọ .

## Mmechi

Ụmụ akwụkwọ amaghị agụ nke ọma ma ọ bụ ghọta ederede n'asụsụ Igbo, bụkwa nke sitere n'usọrọnkuzi adabaghị nke onye nkuzi na-agbaso n'ịkụzi ọgụgụ na odide. Nke a mere na ụmụ akwụkwọ anaghị etinye uchu ma ọ bụ sọnye n'ihe ọmụmụ. Ha anaghị enwe mmasị n'ihe a na-akọ na klaàsị. Ọtụ ọ sila adị, nchọcha a egọsịpụtala na nka akụkọ ifọ bụ nka nkụzi nke na-ewebata ohere/ọnọdụ dị iche iche n'iwulite ọgụgụ aghọtaaza na edemede ụmụ akwụkwọ n'asụsụ Igbo.

## Ntụta Alo

Site n'ihe a chọpụtara,ndi nchọchatụtara alo ndị a:

1. Ka ndị na-ahazị kurịkulum na-etinye nka akụkọ ịfọ na ngalaba ọgụgụ na edemede nke kurikulum asụsụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ praịmarị. Ihe omume ndị ahụ ga-abụkwa nke na-amasịụmụaka.

2. Ka a na-akwado ndị nkuzi asụsụ Igbo iji nka akụkọ ifo akụzị ọgụgụaghọtaaza na edemede n'asụsụ Igbo. Nke a ga-enye aka n'iwulite mmasị ụmụ akwụkwọ , wulitekwa nka ọnụnụ ha/ige ntị nke ọma n'ihe a na akụzịrị ha.

## Edensibịa


Atta – Alla, M. (2012). Integrating Language Skills through Storytelling. *English Language Teaching* 5, 1 – 13.

Emenanjo, E. N. (1977. ed.) *Omalinze*: A book of Igbo Folktales. Oxford University press.

Federal Republic of Nigeria (2004; 2014). *National Policy on Education.* Lagos NERDC Press.

Frisch, J. K., & Saunders, G. (2009). Using Stories in an Introductory College Biology Course, *Journal of Biological Education* 42(4) 164 – 169.

Kosa, J. R. (2009). Tell a story. *Education Digest*. 74(2), 43 – 47.

Malderez, A. (2010). Stories in ELT: Telling Tales in Schools. *Procedia Social and behaviour sciences*, 7 – 13.

Nwigwe, N. 2016). Oral literature as a springboard for value inculcation to children-*British Journal of Education* 4(11). 1 – 10

Pinzon, M. X. R. (2016). Storytelling and story reading: A way to enhance EFL students' literacies *unpublished M. A. Thesis*. Bogota-Columbia.

Powell, R. M., & Murray, O. (2012). Using Storytelling Strategies to improve students comprehension in online classes. *The Journal of Effective Teaching,* 12(1). 46 – 52.

Satija, M. P., (2002). Reading and book culture. *Herald of library science*, 41 (1/2), 5 – 59.

TalkTalk Group (2012). New Survey reveals Fears that tradition of reading bedtime stories is dying. Retrieved Nov. 2019. From www.talktalk.co.uk.

Yusuf, H. O. (2016). Impact of Teacher's use of folktales on the performance of pupils in reading comprehension in primary schools, in Kaduna State, Nigeria Retrieved http//:www.oapub.org/edu.